# MMEHIE NKE MIRIAM NA ERON
## Ọnu-ọgugu 12:1-16
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 100

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Nēkwenyenu ndi-isi-unu, nēdo-kwa-nu onwe-unu n'okpuru ha: n'ihi na ndi ahu nāmu anya n'ihi nkpuru-obi-unu, dika ndi gāza ajuju bayere unu" (Ndi Hibru 13:17).**

**I Nnupụisi nke Miriam na Eron na Mkpepụta Chineke Kpepụtara Moses**

1. Miriam na Eron, ebe ha juru n'ekworo kwugidere Moses, náegosipụta mmụọ nke ifuli onweonye elu na agụụ ọjọọ nke ịchịisi, Ọnu-ọgugu 12:1, 2; Ilu 25:6, 7; Aisaia 14:12-15; Obadaia 4; Matiu 23:12
2. Onyenweanyị nụrụ okwu mpako na nnupụisi ha, Ọnu-ọgugu 12:2; I Ihe Emere 28:9; Abù Ọma 44:21; Jeremaia 17:9, 10
3. Ọ̀mụ́mụ́ nke Moses bụ nke zuruòkè mere na ọ pụrụ ịgọpụ onweya n'otù ntabianya n'ebubo niile ahụ nke eboro ya, Ọnu-ọgugu 12:3; Ndi Galatia 5:22, 23; I Pita 3:4; Matiu 5:5; Abù Ọma 37:10, 11
4. Chineke kpepụtara orù ya bụ́ Moses, n'iru ndị náebo ya ebubo, wee gwa ha ihe banyere mmekọrịta nke Ya na Moses nwere karịa onye ọ bụla, Ọnu-ọgugu 12:4-8; Abù Ọma 76:8, 9; Deuteronomi 34:10-12

**II Ahụhụ nke Mmehie ahụ**

5. Iwe Chineke wee dị ọkụ̀ megide ndị ahụ nupụrụisi, Ọnu-ọgugu 12:9; Emos 9:2-4
6. Enyere ahụhụ siriike: ekpenta n'arụ̀ Miriam, ịkwaụta na nwuta dị n'obi Eron ịmata na ọ bụ mmehie ha kpatara ọnọdụ ihere dị otú a, Ọnu-ọgugu 12:10; Levitikọs 13:38-46; Abù Ọma 7:6, 7
7. Eron rịorọarịrịọ maka ọgwụgwọ nke nwanne ya nwanyị na ịgbaghara ha, Ọnu-ọgugu 12:11, 12
8. Moses kpere ekpere siriike maka ọgwụgwọ nke Miriam, Ọnu-ọgugu 12:13; Ezikiel 33:14-16; Jemes 5:14-16
9. Ọ bụ ezie na agwọrọ ndịa mehieworo ma doghachi kwa ha n'ọ̀tụ̀tụ̀ ịbụ ndị gaanata amara n'iru Chineke ma ụgwọọlụ ọzọ pụrụ ịche ka fọdụrụ, maọbụ ọnọdụ mwuta nke ha wetaara onweha n'ihi agazighị agazi ha, ọ bụghị náání n'ihi ịdị arọ̀ nke ajọ omume ha kama ka ha wee bụrụ iheatụ̀ nye ndịọzọ, Ọnu-ọgugu 12:14; Levitikọs 14:1-57
10. Ndị nke Chineke nwere ihe mgbochi na njèm ha ịgaru Ala Mkwà ahụ ndị ahụ nupụrụisi n'ebe onye ndú nke Chineke nọ, Ọnu-ọgugu 12:15, 16; Joshua 7:10-12; Aisaia 59:12

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Onye Amụma nke Náenweghị Nsọpụrụ**

Ọ dịbeghị anya emere ka nnupụisi ihere ahụ nke Ụmụ Israel dajụọ, ha wee bulie njèm tupu ihe a nke mere n'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị a emee. Moses anụworị ọtụtụ mgbe Ụmụ Israel naatamù ntamù n'ìgwè megide ya na Eron na kwa Jehova, n'ihi ihe isiike nke ha zutere. Ma ugbu a ọ nwapụtara mkwutọ dị iche nke náemebi ihe nke ukwuu, mkwutọ nke náagba agba nke ukwuu n'ihi na ndị bụ ndị isi ya bụ ndị arụ̀ ya na ndị dị kwa óké ọnuahịa nye ya.

Nnupụisi na ntamù ha ndị nke garaaga malitere n'akụkụ ọmụma ụlọikwuu, n'etiti ìgwè ndị gwaraọgwa na ndị ahụ bụ́ ndị náadịghị akpá Chineke nso. Ndị dị otú a, ma eleghịanya, ahụghị ihe Chineke naalụ, n'ụzọ zuruòkè dịka ọtụtụ mmadụ hụrụ ya n'etiti Ụmụ Israel, n'ihi na ha adịghị abịaru nso n'etiti ebe ike nke Chineke naebi. Ọ dị mfé ịhụ́ na ụdị ndịa pụrụ inwe ntamù n'obi ha banyere ọnọdụ ha ma mee kwa ka nke a baa n'obi ndịọzọ. Ọ dị kwa mfé ịhụ́ otú nsi ahụ siri gazue ọmụma ụlọikwuu ahụ niile nke kpatara nnupụisi. Ma ihe a nke mere amaliteghị n'ezi nke ọmụma ụlọikwuu ahụ ọ bụghị kwa n'aka ìgwè ndị ahụ gwaraọgwa ka o sitere. Ọ malitere n'aka ndị dịkarịrị ya nso, ndị ha na Moses naalụkọ ọlụ. Ọ malitere n'aka ndị kwesịrị ka ha ná ezi onye ndú ahụ nke kwesiri ntụkwasịobi bụrụ otù, ndị náesoro ya naenwe mmasị banyere ọgan'iru nke ndị Israel.

Jisọs gbalịrị ịgwa ndị ahụ na ndị azụpụtara Ya n'etiti ha, ndị nke aka Ya tupu O wee malite ọlụ nke izisa Oziọma Ya, ihe banyere ụzọ nke ndụ ebighịebi, ma mgbalị Ya niile dị ka ihe lara n'iyi. O wee baara ha mba dị ike nime Nazaret sị, "Onye amuma abugh onye anādigh asọpuru, ma-ọbugh n'ala nke aka ya, na ulo nke aka ya" (Matiu 13:57).

Otú ọ dị ihe dị icheiche nke chere Moses n'iru abụghị náání ọjụjụ nke ndị nke aka ya jụrụ ya ịmata ọkpụkpọ akpọrọ ya dịka onye amụma na onye nke enyere ike ijéozi. Miriam na Eron kwenyere na Moses nwere ihe ndịa, ma nime obi nke ihe ọjọọ naalụọlụ nime ya na mmehie ahụ nke náeweta ịlaiyi bụ́ mmehie nke mpako nke agụ kwara dịka mmadụ ibuli onweya elu, mere ka ha náekwusi ike na Chineke kpọkwara ha otùaka ahụ ma nye kwa ha ike.

“Ihe nile di n’uwa, bú agu ihe ọjọ nke anu-aru, na agu ihe ọjọ nke anya, na oké okwu nke ibi obi, esitegh ná Nna ayi, kama o sitere n’uwa” (I Jọn 2:16). Ekworo na anya ukwu nke náeme ụmụmmadụ ka ha chọọ ọkwa na ọnọdụ nke ụwa nke ụmụmmadụ bi, n’ihe nke náadị nwa oge, ọbụná n’ọlụ nke nzukọ Kraist, náesite na mpako nke dị nime obi ha na ọchịchọ ya ibuli onwe ha elu. Ndị ahụ niile nke ihe ọ bụla gaesi n’ụzọ ọ bụla kpalie ha site n’ọchịchọ ọjọọ ibuli onweha elu, gaabụ ndị ikpé maworo site n’okwu nke Jisọs; n’ihi na Ọ sịrị “Onye ọ bụla nke gēweli onwe-ya elu, agēweda ya; Onye ọ bula nke gēweda kwa onwe-ya agēweli ya elu” (Matiu 23:12).

**Anya ahụ nke Náahụ́zu na Ntị ahụ nke Ghereoghe**

Ma omume nke ndịa na échìchè ha niile nke nnupụisi abụghị ihe anaamataghị. Otù okwu nke edere n’Akwụkwọnsọ nke onye náagụ ya nwereike ghara ịrịbaàmà ná agwa anyị na Chineke nụrụ okwu ha niile. Ma mgbe ọ bụla Chineke nụrụ ebubo onye Ya etere mmanụ bụ kwa onye Ọ kpọworo Ọ naarịba ya àmà weta kwa ikpé dị ngwangwa n’arụ ndị dara iwu a, ka onye ahụ nke náeme ihe ọjọọ wee chègharịa ná mmehie ya niile na kwa ka aha Chineke ghara ịbụ ihe agaeleli maọbụ ghara kwa ịsọpụrụ okwu Ya maọbụ iché ike Ya aka mgbá.

“N’ihi na JEHOVA, anya-Ya nējeghari n’uwa nile, igosi onwe-Ya Onye di ike n’akuku ndi obi ha zuruokè n’ebe Ọ nọ” (2 Ihe Emere 16:9); ihe nke a anaegosi gaetinye onye ahụ n’ọgbaaghara mee kwa ka ihere mee ya bụ́ onye ahụ náedo onweya imegide onye ahụ obi ya zuruòkè n’ebe Chineke nọ. Ọ dịghị onye pụrụ ịgbanarị Chineke! Ọ matara obi niile náahụ́ kwa omimi niile nke ihe ọ naeche. Ọ naanụ ihe niile nke anaekwu náamata kwa ihe niile nke emeworo.

Lee otú o si bụrụ ihe efu bụ́ mgbalị niile nke mmadụ izo onweya n’ebe anya Chineke nọ nke náahụ́zu ihe niile! Anya ahụ nke bamiri nime ogige Iden, wee hụ́ mmehie ka ọ naarapara n’obi nke Adam na Iv, pụkwara ịbami ná nchepụta niile nke mmadụ gaatụpụta iji kpuchie ndụ nke mmehie ya. “Ewo, ONYE-NWE-AYI Jehova! Le, Gi Onwe-gi emewo elu-igwe na uwa site n’ike uku Gi na site n’ogwe-aka-gi esetiri eseti: ọ digh ihe ọ bula kariri Gi ime …. I di uku na ndum-ọdu, di kwa ike n’omume: Onye anya-Gi ghere oghe ilekwasi uzọ nile nke umu madu; inye onye ọ bula dika uzọ ya niile si di, na dika nkpuru omume-ya nile si di” (Jeremaia 32:17, 19).

**Ebubo Ahụ na Ihe Ọlụpụtara**

Mmehie naagọpụ onweya mgbe niile, náewepụta n’iru ya ngọpụ dị icheiche apụrụ ịnabata nkeọma. Nime iheọ̀mụ̀mụ̀ a mmehie ahụ bụ nnọọ nke mpako, ifuli onweelu, nnupụisi, na nke isiike. Ma ebubo nke butere ụzọ abụghị ihe ndịa kama ọ bụ banyere nwunye Moses. Ebubo a nke iji mebie aha mmadụ ka eweere dịka ihe mgbakwasị ụkwụ ịnupụisi, ma ekworo na mpako nke dị nime obi ndịa nupụrụisi bụ ihe kpatara omume nke ekweghị ịnọ n’okpuru nke ha mere. Ha chọrọrị ike n’otuto ụwa bụ́ nke ha chere na ọ gaeme ka ha sonye n’ịbụ ndị ndú ejikọtara n’otù nke mba ahụ dịkwuu bụ Israel.

Ọ dịghị ihe náakpata ndọrọndọrọ jọgburu onweya n’etiti ụmụmmadụ dịka ikwoekworo maka inweta ike na ibuisi. Ihe mmadụ ibe mmadụ ịtọ ya ụtọ, nsọpụrụ mmasị, urù, ọlụ na nchebe, n’ekwughị ihe ọ bụla banyere nchèkwube nke iru ọchị nke Chineke na mkwenye Ya nke anaenye ndị niile náatụ egwù Ya, ka anaazọtọ n’ụkwụ mgbe ụmụmmadụ malitere ndọrọndọrọ nke ọkwá na ike nke ịchịisi. Ihe a nke mere naakwagide anyị inyocha obi anyị nkeọma; n’ihi na ọ bụrụ na ndịa bụ́ ndị nwere ntozuòkè dị otú a, ndị nwe kwara ohere ọma na ọkpụkpọ dị elu dịka Miriam na Eron bụ ndị nwereike ime ụdị mmehie dị otú a, anyị agaghị eche na anyị onweanyị apụghị ịdaba n’ụdị ihe egwu dị otú a.

Anaeche na ọ bụ Miriam bụ onye malitere nnupụisi na ọgbaaghara ahụ ebe ọ bụ ya ka eburu ụzọ kpọọ aha bụrụ kwa onye etiri ekpenta ahụ. Ụfọdụ naekwu na Eron nwere omume nke naadịghị eguzosiike na ọ bụ nwanne ya nwanyị duhiere ya ịba n’omume ahụ nke mebiri aha ha abụọ. Ihe anyị matara bụ na Jehova wesara ha abụọ iwe, n’ihi nke a anyị matakwara na ha abụọ bụ ndị ikpé mara n’iru Chineke. Etiri Miram iheotiti nke naasọ oyi, nke bụ́ kwa nke jọgburu onweya, nke ha amaghị ihe eji agwọ ya, nke kewapụkwara onye ọrịa ahụ site n’etiti ndị enyi na ndị ọ hụrụ n’anya. Ma Eron agbanarịghị ahụhụ ahụ kpamkpam.

Ịhụn’anya nke dị n’èzínaụlọ Amram na Jokebed dị ike nke ukwuu. Mgbe Miriam bụ nwaagbọghọ ntà o guzoro n’okpomọkụ n’oge ha nọ n’Ijipt wee náeche ụgbọ papyrus ahụ nke etinyere nwa nne ya nwoke nke ntà bụ Moses, onye agara egbuworị ma ndị mụrụ ya napụtara ya. O jekuuru ada Fero mgbe ọ chọpụtara ụgbọ ahụ, wee were amamihe tụọ arò ka achọta onye nwereike ilekọta nwata ahụ n’etiti ụmụ ndịnyom ndị Israel rue mgbe o toruru mmadụ. Emesịa ọ bụ ya duru ụmụ ndịnyom Israel n’ịbụ abụ ahụ nke Moses mgbe ha gabigara Osimiri Uhie. Ọtụtụ mgbe ka ọ kwagidere nwanne ya n’oge óké mkpà na ihe mberede mgbe ọ dị ka ọlụ Chineke naala n’iyi.

Eron, n’otù aka ahụ kwa egosipụtawo omume nke kwesịrị nñomi náagbanyeghị adịghị ike nke dị nime ya dịka omume eburu pụta ụwa. O kpaworị nso Chineke otú o kwesịrị na o nwereike ịnụ mgbe Chineke nyere ya ndụmọdụ ka o jee ijè ọtụtụ maịlị n’ọzara ọbụná n’ebe ndị Ijipt naeche nche gafee kwa nime ọzara nke jupụtara n’ihe izendụ dị icheiche, rue mgbe o zutere Moses onye ọ náahụbeghị na onye ọ náanụbeghị ihe banyere ya rue arọ iri anọ dịka

agwara anyị. Chineke nyere ya ozi dị mkpà n'aka bụ́ ikwupụta ụkpụrụ ahụ dị nsọ nke Chineke n'obíeze nke onyeisi ọchịchị ahụ nke ụwa. O nwere ntozuòkè nke anaahụ́ anya nke imemmụọ nke Chineke maara na ọ pụrụ iji ya lụọọlụ dịka Ọ chọrọ. Ma n'ikpéazụ, Eron bụ ụdị Onye Ogbugbo ahụ onye pụrụ iwere okwu ikpé nke onye mmehie ọ bụla nke náechègharị rue n'oche ikpé Ukwu ahụ wee rịọrọ ya mgbaghara ebe o ji ọbara Ya náemeghị ihe ọjọọ zụta mgbaghara ahụ.

Ọ bụrị ihe amaara na ọ dịịrịghị Chineke óké mkpà iti Eron ihe otiti nke ọrịa nke gaeme ya ka ọ ghara ịbà urù n'ọnọdụ ọkpụkpọ pụrụ iche akpọrọ ya. Náání ilekwasị ezi nwanne ya nwanyị anya bụ́ onye ajọ ọrịa ahụ nke náerichapụ anụarụ niile naarapara n'arụ ya, ebe ọ matara na ya onwe ya bụ onye náaghaghị ikwuokwu nke gaekewapụ ya n'etiti Ụmụ Israel rue mgbe ebighịebi, nke bụ ahụhụ dị ọjọọ n'onwe ya. Ọtụtụ mgbe náání ịhụ́ onye anyị hụrụ n'anya mgbe ọ nọ n'ahụhụ na ihe mgbu náadị ike ịnagide karịa ka ahụhụ ahụ n'onwe ya gaadị. Ọtụtụ mgbe ka anaanụ ka mmadụ naekpeekpere ná anọ kwa ewere nsogbu nke onye ahụrụ n'anya mgbe ọ nọ náedina ná nsogbu na arụụfụ tụkwasị ya.

**Mkpepụta nke Chineke na Ebubo nke Mmadụ**

Ịgbaama kachasị elu nke ọkwa dị ukwuu nke Moses nwere karịa nke onye ọ bụla nke dịrị ndụ n'oge nke ya bịaara ya n'ihi ihe ihere a emere ya. Nkasịobi dịrị onye ọ bụla nke anaebo ebubo ụgha dịka ọ dị n'ihe a nke mere. Chineke gaalụrụ ha ọ̀gụ̀ ma ọ bụrụ na ha, dịka Moses, ejigide mmụọ nke obi umeala nke náadịghị eweli aka maọbụ olu ya ịbọrọ onweya ọ̀bọ̀. Ma ịdọakanántị dị kwa nye ndị ahụ nke gaekwe ka ekworo nke sitere n'ekwensu were échìchè ha na olu okwu ha. Chineke naanụ olu okwu ha ma náecheta kwa échìchè ha. Otù ụbọchị Ọ gaezute ha n'ikpé Ya nke ziriezi ma dị kwa ngwangwa.

Ndị náamaghị Chineke nke náakwa Baịbụl emò ekwuwo na okwu ahụ ekwuru banyere obiumeala nke Moses bụ ihe nchọpụta zuruòkè iji kwere na Baịbụl abụghị ihe edere site n'uche Chineke. Ha naagba agụgọ na ọ bụrụ na ọ bụ Moses dere Akwụkwọ Ọnụọgụgụ na ọ gaghị ekwuworị otú a banyere onweya, n'ihi na náání ihe edere nime ya naegosi na o nweghị obi umeala. Ma nke a abụghị ihe siriike n'ebe onye kwere ekwe nọ. N'ebe ya onwe ya nọ nke a abụghị n'ihi otuto nke onweonye bụ́ nke esitere n'ihe efu dee. Ọ bụ náání okwu dị mfé nke náewepụta náakọwa kwa omume ya bụ́ nke dị mkpà iji nye aka ka aghọta iheọ̀mụ̀mụ̀ a nkeọma. Ọ bụghị ihe sitere n'ịhụn'anya nke onweonye, kama ọ bụ Mmụọ nke Chineke kpaliri ya mgbe Moses naedepụta iberibe Akwụkwọ ndịa dị ebube.

Ugbò òle ka Moses chọworo nsọpụrụ Chineke kama otuto nke onweya maọbụ udé nke aha! Ọ dị otù mgbe ọ gaara anabata mkpebi Chineke ime ka mba ahụ niile gwụsịa ma mee ka mba ọzọ site n'eriri ya bilie. Ọ gaghị arịọworị arịrịọ ọtụtụ oge ahụ nke o kpere ekpere bukwaara ha ọnụ rue mgbe ike gwụsịrị ya nwa oge, ọ gara ahụ mgbe ikpé ziriezi nke Chineke dakwasịrị ndị ahụ nke náatamù ntamù, ndị mkpesa na ndị náenweghị obi ekele. Ma o gosipụtara na ya onweya bụ ezi onye ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ nke ebo niile nke Ụmụ Israel. O gosipụtara ọtụtụ ugbò na agụụ obi ya bụ náání ka ahụ́ na anaenye Chineke nsọpụrụ ma náebulikwa Aha Nsọ Ya elu. Nke ya bụ nnọọ ezi obi umeala! Nke ya bụ nnọọ ezi ịdị nwayọ! Nke ya bụ ezi ịbụ onye ndú na onye náarịọrọ ndịọzọ arịrịọ! Ọ bụ onye amụma nke náegosi ụdị onye Amụma ọzọ, onye bịara mgbe oge Ya ruru onye natakwara ịgbaàmà site n'Eluigwe nke kachasị elu banyere ịdị nsọ Ya na ike Ya n'elu Ugwu Nnwogha ahụ.

Ihe a nke mere na mwagharị ha n'ime ọzara na akụziri anyị òzízí dị nsọ na nime obi nke "Miriam ọ bula" na Eron ọ bula" ka agaahụ́ ihe egwù ahụ ebe mkpụrụ ọjọọ nke ọnụma na ekworo naepulite wee náeto kwa nke ọ bụrụ na ekwenyere ya ka ọ nọgide emesịa ọ gaeguzo ikwugide ndị nke Chineke kpachapụrụ anya rọpụta bụ́ ndịkom na ndịnyom etere manụ. Ka Chineke zọpụta anyị site n'óké ihe ọjọọ ahụ nke mmehie ahụ dị óké egwù naalụpụta!

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ aha nwunye Moses?
2. Kpọọ aha nna Moses, nne ya, nwanne ya nwanyị, na nwanne ya nwoke.
3. Gịnị bụ ebubo mbụ eboro Moses?
4. Gịnị bụ ebubo ikpéazụ na nke bụ ezie megide ya n'oge a?
5. Ònye bụ onye ndú pụtara ìhè ná mmegide a?
6. Gụpụta ya n'isi amaokwu ahụ amara nkeọma n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a bụ́ nke náakọwa omume nke Moses onye nke Chineke.
7. Gụpụta ya n'isi amaokwu ndịọzọ nime Akwụkwọnsọ bụ ebe náagwa anyị ihe bụ ụgwọọlụ dịrị onye nwere ntozuókè a bụ nke ahụtara n'ebe ọ dị ukwuu nime Moses.
8. Gịnị bụ ihe ahụ dị iche ná mkpughe nke enyere Moses na ndịọzọ buru amụma n'aha Chineke?
9. Gịnị bụ mmeso Chineke mesoro ndị ahụ nupụrụisi?

10. Òlee ụzọ esi nye ahụhụ n’ihi mmehie ahụ?